Nkọkịrịkọ Banyere Ọnọja Nwaobonyi Dịka Dike Ndị Ogurugu N'ala Igbo Nke

Okey-Agbo Jacinta Ndidi
Department of Linguistics/Igbo and Other Nigerian Languages
jacinta.okey-agbo@unn.edu.ng, jacintaokeyagbo@gmail.com

Chizoba, Onyinye Grace
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
chizobahonyinye@gmail.com

Na
Ihedigbo Ruth Ebere
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348034722818 ebereihedigbo@gmail.com

Ụmị

Nchọcha a hibere isi n'akụkọ odogwu nke lebara anya na nkọkịrịkọ banyere Ọnọja Nwaobonyị dika dike ndị Ogurugwu n'ala Igbo. Ọnọja Nwaobonyi bụ nwa ọbatamu onye Ogurugu. Ọtụtụ ndị mmadụ na-eche na Ọnọja Nwaobonyị bụ mmụọ. O teela aka ndị mmadụ na-achọ ma na-ajụkwa onye Ọnọja Nwaobonyi bụ. Ebumnuche nchocha a gbadoro ụkwụ n'itule ọmụmụ na ebimndụ Ọnọja Nwaobonyi nke mere o ji bụrụ dike ma bụrụkwa odogwu. Ịchọpụta etu o siri nwuo nakwa itule ka e si eme emume ncheta Ọnọja Nwaobonyi nke Ogurugu. Ọ bụ atụtụ agụmagụ nkọmịrịkọ nke Maud Bodkin bipụtara n'afọ 1934 ka e jiri mee nchọcha a. Ọchọcha gbasaoro usoro ajụjụ ọnụ nweta njatule e ji mee nchọcha a. A chọpụtara ka e si mụọ Ọnọja, ebimndụ ya, ihe o mere kpatara o jiri buru dike nakwa ka e si eme emume ncheta ya. Ọ lụrụ ndị Ogurugu agha, nyere ha aka zọtakwa ala, o gwuru ha nnukwu mgbidi maka nchekwa n'aka ndị iro ha. A na-echekwube na nchọcha a ga-enyere ndị ọzọ aka tụmadị ndị nwere mmasị ime nchọcha banyere Ọnọja Nwaobonyi n'ọdịnihu. Ọ ga-abakwara ụmụ afọ Igbo niile urụ, ma meekwa ka ndị anụbeghị maka

nwoke a na-ewu ewu n'Ogurugu nakwa obodo ndị gbara ya gburugburu imata maka ya bụ dike.

Mkpọlite

Nchọcha a bụ maka otu odogwu a ma ama n'obodo Ogurugu aha ya bụ Ọnọja Nwaobonyi. Isiokwu a hibere isi na nkọkịrịkọ nke bụ otu n'ime nkenụụdị akụkọ e nwere n'ala Igbo.Tupu a gawa n'ihu ọ ga-adị mkpa ịrụtụ aka n'ihe gbasara epumepu obodo a bụ Ogurugu site n'ileba anya n'ihe ụfọdụ ndị ọkachamara, ndị okenye na ndị odee kwuru maka ya. Ụfọdụ tinyere nke ha n'ime akwụkwọ, ebe ụfọdụ kọrọ nke ha n'ọnụ nkịtị.

Naịjirịa so n'otu n'ime mba dị n'ala Afrịka ma bakwa ụbara. Ala Igbo bụ otu n'ime agburu dị n'obodo Naijiria. E kewara ala Igbo na Steeti ise na-asụ asụsụ Igbo. Ha bụ ndị a: Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugwu, Imo, E nwekwara ụfọdụ ndị Delta na Rivas na-asụ asụsụ Igbo. Ogurugu bụ obodo dịdebere Adani nọ n'ọdịda anyanwụ nke dị n'okpuru ọchịchị Ụzọ Ụwani dị n' Enugwu Steeti.

Otu n'ime ndị a deturu nke ya n'ime akwụkwọ bụ nwaafọ Ogurugu. Aha ya bụ Maazi Sunday Ibrahiam, n'akwụkwọ nke o dere n'afọ 2001., Ọ kpọrọ ederede ya '*Agụgụala nke Ogurugu.*' Ọ gbara mbọ ịchọpụta aziza ajụjụ a bụ ebe ndị Ogurugu sịrị pụta. N'akwụkwọ a, ọ kwụrụ na site n'aha ya, Ogurugu bụ n'asụsụ a na-akpọ Igala ka e si nweta ya. Aha a bụ Ogurugu pụtara "Agha adaala" n'asụsụ Igbo. Igala bụ asụsụ akụkụ ndị ụfọdụ nọ na Kogi Steeti na-asụ.

O kwuru na ụfọdụ ndị Ogurugu si Idah nke dị na Kogi Steeti taa wee bịa, ebe ụfọdụ n'ime ha sikwa n' Adaba, Idoma, Orokalamu, Ineme nakwa Enugwu. O kwukwara na ọ bụ n'oge agha ka ha si n'ebe ndị a wee gbaa ọsọndu gbata n'ebe a bụ Ogurugu taa. Ọ bụ n'oge a lụrụ agha mba ụwa n'afọ 1945 ka ndị a sịgasịrị ebe dị iche iche gbata n'obodo Ogurugu maka nchekwaba. Ọ kọkwara na e nwere mpaghara itoolu mebere Ogurugu. Mpaghara nke ọbụla nwere eze na-achị ya, ebe e nwere naanị otu Igwe na-achị Ogurugu niile. Mpaghara ndị a e nwere n'Ogurugu bụ Ọbatamu, Atịịda, Achanya, Ukpale, Ọkpọtọpụ, Ofuloko, Ofuegbe, Ụkwụaja na Edejọ. Eze ndị a na-achị mpaghara dị iche iche, na-achịgide rue mgbe ha nwụrụ. Ọ bụ site n'onye bụkasịrị okenye ka eze na-eru, ma nke a adịghị etua n'ebe Igwe nọ.

Ndị Ogurugu enweghị otu omenala e jiri mara ha n'ihi na ha esighị otu ebe wee bịa. Ụfọdụ ọdịnala e jiri mara ndị Ogurugu bụ: okpukperechi, alụmdi na nwunye, ịkwa ozu, iru uju, iti mmọnwụ, iri ji ọhụụ, ichi echichi dị iche iche dgz. Asụsụ e jiri mara ndị Ogurugu bụ asụsụ Igala na asụsụ Igbo. Asụsụ Igala ha na-asụ bụ maka na imilikiti n'ime ha si ala a na-asụ asụsụ Igala bụ Kogi Steeti wee gbata ọsọndụ n'Ogurugu. Ebe asụsụ Igbo ha na-asụ bụ maka na obodo na-asụ Igbo gbara ha gburugburu bụ ndị na-abịa n'obodo Ogurugu azụta ụfọdụ ihe dịgasị iche iche dịka azụ, akpụ, osikapa dgz. Ụfọdụ n'ime ha na-asụkwa asụsụ ndị ọzọ bụ nke ha mụtara n'ụzọ ije dị ka asụsụ Bekee, Yoruba, Awụsa, kalaba, dgz. E ji ịdịnotu, ịkọ ọrụ ugbo, ịgbasi mbọ ike, ịzụ ahịa, ịgụ akwụkwọ, okpukperechi na inyere mmadụ ibe ha aka wee mara ndị Ogurugu. Ịkọ ọrụ ugbo bụ isi sekpụ nti n'aka ọrụ e jiri mara ndị Ogurugu. E nwere ndị bidobere ndị Ogurugu dịka ndị Adani, Obale, Afa, na Kogi. E nwere mmiri kewara ndị Ogurugu na Kogi Steeti bụ nke a kpọrọ mmiri Ọmabala. Dịka anyị siri kwue na mbụ nchọcha a gbadoro ụkwụ na Ọnọja Nwaobonyi. Ọ ga-akọwakwa kpọmkwem ihe niile gbasara ya n' Ogurugu, bido na mgbe a mụrụ ya rue mgbe ọ nwụrụ.

Ọtụtụ mgbe ka anyị na-anụ akụkọ dị iche iche maka ndị dị iche iche kpara ike n'ụwa a, ma nke anyị na-anụkarị anụ bụ nke ndị ọcha. Nke a ọ pụtara na o nweghi ndị kpara ike n' ala ndị isi ojii?. Echere m n'aziza ajụjụ a bụ mba, n'ihi, na e nwere ọtụtụ ndị odogwu kpara ike n'ala Igbo n'oge gboo ma n'oge ụgbụ a. Ndị dịka: Ameke Okoye, Ozoemena Ndịve, Ojaadili Udeoba, Omalima Ndegene, Atah Igala, Onyema Awụshi, Eziive Eke, Micheal Okpara Nnamdi Azikiwe, Elibe Aja, Nne Mgbafọ, Aguiyi Ironsi, Igu Mbano, dgz. Ma kedụ, ihe kpatara na anyi adịghị anụkarị maka mbọ niile ndị a gbara na ike niile ha kpara n'ala anyị n'asụsụ Igbo? Echere m na ọ bụ na ọtụtụ n'ime ha bụ nke edetughi nke ga-eme ka e cheta ha, dịka ndị ọcha si eme. Ọzọkwa, bụ n'ihi na enweghị ezigbo igwe e ji ebi akwụkwọ Igbo mgbe ahụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị e ji nzuodee wee dee deeti mgbe ihe ahụ mere n'ahụ aja, iji wee na-echeta ha. Ụfọdụkwa, bụ nke furu efu n'oge agha, nke mere na enweghịzi ọtụtụ n'ime ha a na anụkarị maka ha ugbu a.

O teela aka ndị mmadụ na-achọ ma na-ajukwa onye Ọnọja Nwaobonyi bụ. Ọtụtụ ndị anụla aha a ọtụtụ mgbe, mana ha amaghị onye ọ bụ kpọmkwem. A kọọla ọtụtụ akụkọ gbasara Ọnọja Nwaobonyi, ma ndị e dere n'akwụkwọ ehighi nne. Ọtụtụ ndị na-akpọ ya Ọnọja, Ọnọja Nwaoboni, Ọnọja Nwaoboli, Ọnọja Nwaebuli, dgz.

Kama ọ dị mkpa ka anyị mata na ọ bụ otu onye ahụ ka a na-ekwu maka ya, ma ndị Ogurugu na-akpọ ya Ọnọja Nwaobonyi. Akụkọ Ọnọja Nwaobonyi e dere ede adịghị ọtụtụ ma ndị a kọrọ n'ọnụ ka nkụ. Otu n'ime ndị dere akụkọ nke ya n'akwụkwọ bụ Maazi Sunday Ibrahim, nwaafo Ogurugu nke ọ kpọrọ *Agụgụala nke Ogurugu*. A gbado ụkwụ n'ihe Ibrahim (2001) kwụrụ, Ọnọja Nwaobonyi bụ nwa nwoke Ọbatamụ, Ọbatamụ nke bụ nwanwoke Ezeugboeke, onye si n'Adaba bịa biri n'ebe a na-akpọ Ọbịa n'Ogurugu. Ọ kọwara na Ọbatamụ bụ dinta a ma ama nke ọma. Dịka dinta, ọ bụ, ọ na-eme ngagharị achọ anụ dị iche iche ọ ga-egbu. Na mgbe ahụ, ọ bụ naanị na mkpụrụosisị na anụ ndị ahụ o gburu ka o si enwetakari ihe oriri ya. Ma n'ihi na ala ahụ (Ọbịa) bụ ebe enweghị onye bi na ya, ma bụrụkwa ala dị mma nwere ihe Okike dị iche iche, Ọbatamụ chere na ọ ga-adị mma ma ọ bụrụ na ya emee ebe ahụ ebe obibi ya. Nke a ka ọ mere, Ọbịa abụrụzie ebe obibi Ọbatamu. Nchọcha a ga-emepe anya ọtụtụ ndị mmadụ ịmata onye Ọnọja Nwaobonyị bụ. Nke a ga-ebelata mgbagwoju anya a na-enwe banyere nwoke a. Nchọcha a ga-eweta ọsịsa nye ajụjụ ndịa:

(i) Kedụ ka e si mụọ Ọnọja Nwaobonyị?
(ii) Kedụ ihe ndị o megasịrị n'Ogurugu e jiri echeta ya dịka dike?
(iii) Kedụ etu o sịrị nwụọ ọnwụ?
(iv) Kedụ etu e si eme emume ncheta Ọnọja Nwaobonyi?

Ntụleghari Agụmagụ

N'ebe a, e lebara anya n'isiokwu ndị a:
Ọkpụrụkpụ okwu, nke a gbadoro ụkwụ na ya ma nye nkọwa gbasara nkọkịrịkọ, dike na njịrịmara dike, atụtụ nchọcha, na ntụlegharị agụmagụ.

Nkọwa Ọkpụrụkpụ Okwu

Nkọkịrịkọ

Na nchọcha a ọchọcha hụtara nkọkịrịkọ dịka akụkọ oge ochie, ọ kachasị nkwenye na echiche banyere ndị gboo, akụkọ ndị hiwere isi n'ebe ndị dike nọ, bụ ndị lụrụ agha maka ịzọpụta obodo ha n'aka ndị iro, ndị jikwa ndụ ha were chụọ aja maka obodo ha. Akụkọ nkọkịrịkọ bụ akụkọ eziokwu na asị dị n'ime ya. Eziokwu dị n'ime ya karịrị nke akụkọ mbido/okike. Ụdị akụkọ a na-akọ maka ndị mmadụ na ihe ndị ha megasịrị. Mana dịka ọdịdị ya sịrị dị, a na-akọ akụkọ ndị a n'ụdị na-ebu isi, kọọ ha ha apụọ iche, dị ebube. N'ọtụtụ akụkọ dike, mmadụ na agbara maọbụ mmụọ na-ebikọ ọnụ. Nkọkịrịkọ bụ akụkọ, ndị hiwere isi n'ebe ndị dike nọ, bụ ndị

lụrụ agha maka ịzọpụta obodo ha n'aka ndị iro. Ọ gbasakwara ịzọta ala. N'ala Igbo, akụkọ ọbụla gbasara izọtakwu ala bụ akụkọ dike, akụkọ na-ebute ịkpụpụrụ dike okpu. Ọ na-egosikwa aja ndị mmadụ jiri ndụ ha chụọ n' ihi obodo ha. Akụkọ ndị a na-egosi na n'oge ochie, ndị nna nna anyị ha sitere n'ike ọkpụkpụ aka ha zọpụta ala ha maọbụ gbooro na mkpa n'ụzọ dị iche iche. Akụkọ Ebreham, Aịzik na Jekọb dị na Baịbụl bụ akụkọ ndiichie. Ndị a gbooro ndị obodo ha mkpa n'ụzọ dị iche iche. Okebalama (2003) kewara nkọkịrịkọ ụzọ abụọ: akụkọ ihe nna nna anyị ha mere na ihe mere nna nna anyị ha, na akụkọ dike maọbụ odogwu ọdịnala.

Nkọkịrịkọ nna nna anyị ha bụ akụkọ etu obodo sịrị puru. Ọtụtụ obodo n'ala Igbo nwechara akụkọ ka ha si puru. Ọ bụ onye dinta chọpụtara obodo obosi na ọtutụ ebe ndị ọzọ.

Akụkọ dike

Alan Dudes (1965) kwuru n'akwụkwọ nke ya na dike nwere ndụ a tụrụ anya n'aka ya. Ọ sịkwara na dike anaghị abụ eze maọbụ nwa eze n'obodo. Ọ kwukwara na dike ga na-emere ndị obodo ya ihe dị iche iche dịka ịlụrụ ha ọgụ, igbu anụ ndị na-akpa ike dịka abụala, agụ na anụ ndị ọzọ dị iche iche.

Okebalama (2003) kọwara akụkọ dike dịka akụkọ gbasara mmadụ pụrụ iche n'ọdịdị, n'echiche na n'omume. Ọ bụ mmadụ nyeere obodo ya aka n'ịzọpụta ha na nsogbu dịka ịlụrụ ha agha, ime ka ha nwee ndị maọbụ ihe ọbụla kọrọ ha. Ebe a, odee na-ekwu na dike bụ mmadụ pụrụ iche dịka nwoke maọbụ nwaanyị. Ọ bụ onye nwere agwa pụrụ iche, omume na echiche pụrụ iche n'etiti ndị ọzọ. Odee kọwara na dike bụ onye na-enyere obodo ya aka dịka ịlụrụ ha agha. Agha nke a nwere ike ọ bụrụ agha nke mma na egbe, enwekwara ike ma ya abụghị. Agwa ya ga-adị iche dịka nke okenye n'ebe ụmụaka ndị ọzọ nọ dịka ikwu okwu asọghị anya.

Ya bụ na ọ bụ akụkọ nke nkọmịrịkọ ebe ihe anaghị eme na ndụ na-emegasị. Ọmụmaatụ ya bụ akụkọ ndị dịgasị n'akwụkwọ nsọ na akụkọ ala dị iche iche ebe e nwegasịrị agwa ndị kpara ike dị egwu ma wetakwa mgbanwe n'ụwa ha hụtara onwe ha na ya. Akụkọ dike na-enwe nnukwu akọmakọ n'ime ya nke na-eme ka o buo ibu. Ndịiche pụtara ihe ebe nkọmịrịkọ n nkọkịịkọ nọ bụ na nkọmịrịkọ gbasaara ihe oge ochie maọbụ nkwenye maka akụkọ ndị oge ogboo, ihe kpatara

ọtụtụ ihe ji dịrị otu ha dị, ihe mere na mmadụ agaghị alụ nwa ya nwaanyị. Mana nkọkịrịkọ bụ akụkọ hiwere isi n'ebe ndị dike nọ, bụ ndị lụrụ agha maka ịzọpụta obodo ha n'aka ndị iro.

Arnott (2016) n'aka nke ya kwuru na akụkọ dike n'oge mbụ bụ ngalaba abụ nke a na-akpọ abụ akụkọ dike mana n'oge ugbu a, akụkọ dike agbasaala aka wee na-emetụta ihe ngosi nkwago, iduuazi, egwu na ọtụtụ ihe nkiri n'onyonyo nke na-agbado ụkwụ n'emereme dike. Ya bụ na akọmakọ ọbụla pụtara n'ụdị ọbụla nke na-eziputa emereme dike bụ akụkọ dike. Nye ọrụ nchọcha a, akụkọ dike bụ ụdị akọmakọ nke isiokwu ya na-agbaso ụkwụ na njem na ike dị iche iche dike kpagasịrị.

Njirimara Dike

Dịka m sịrị hụụ n'akwụkwọ Okebalama (2003) Ọ kọwara na enwere ụzọ dike abụọ ndị gụnyere dike ọkpụ na dike ọgbaraọhụrụ. A bịa n'ihe gbasara dike Ọgbaraọhụrụ, ihe ndị na-emegasị na ndụ ya na-abụ ihe e nwere ike ikweta ngwa ngwa na ha mere eme, ihe na-apụ iche na ha bụ amamihe pụrụ iche, na ịkpa ike dị egwu. Ma ihe ndị a dike Ọgbaraọhụrụ na-eme abụghị nke a na-asị, "ọ gbaghị aka" ya bụ na ọgwụ dị ya.

A bịakwanụ n'ihe gbasara dike ọkpụ Okebalama mekwara ka anyị mara na ihe niile na-eme na ndụ ya na-apụ iche ma dịrị n'ụdị omenanrọ dịka ihe na-enweghị ike ime eme na ndụ mmadụ e wezụga na ọgwụ dị ya maọbụ na Chi tinyere aka na ya. E site n'ihe Nwadike (1992) na Okebalama (2003) kwuru, e nwere ike ikwu na ihe ndị na-eme na ndụ dike gụnyere:

1. Ọ na-akpa ike na-eju mmadụ dum anya dịka Mosis mere ka mkpanaka ya ghọọ agwọ wee loo nke onye majiik Fero.
2. Emereme ya niile bụ maka ọdịmma ndị obodo ya dịka Mosis mere wee napụta ụmụ Izrel n'aka ndị Ijipt.
3. Ha nwere ike nọọ izu asaa erighị nri dịka Jisoos nọrọ abalị iri anọ na mkpụrụ ụbọchị iri anọ erighị ihe ọbụla.
4. Ọtụtụ n'ime ha, mmadụ anaghị ama ihe banyere nne na nna ha.
5. Ụfọdụ na-eme ha pụọ njem, ha agaghị alọtakwa ọzọ dịka Mosis mere n'akwụkwọ nsọ n'elu ugwu.
6. Ụfọdụ na-abụ ọkara mmadụ ọkara mụọ.

7. Ụfọdụ anaghị enwe ili, maọbụ ha nwụọ, ahịhịa anaghị epu n'ala ebe e liri ha.
8. N'ikpeazụ ha anaghị anwụ anwụ. Ha na-agakwuru nna nna ha ụfọdụ na-abụ ha kpachaa ike niile ha ga-akpa, ha agwa ọha obodo ka onye ọbụla bute ukwu nkụ. Ha ga-aba n'etiti nkụ ahụ dum a kwakọtara otu ebe, e sonye ọkụ, mgbe ọkụ nkụ ahụ dum rechara daa ibube, a gaghị ahụkwa ha ọzọ.

Atụtụ agụmagụ nkọmịrịkọ

Atụtụ nkọmịrịkọ na-elebakarị anya na mgbama ọkpụ dị iche iche na-apụtakarị ihe n'ọrụ agụmagụ. Onye bipụtara ya bụ Maud Bodkin n'akwụkwọ nke ọ kpọrọ *Archetypalpatterns in poetry* n'afọ 1934. Ndịozọ na-akwado ya gụnyere: Joseph Campbelll, Robert Graves, Leslie Fieldler, Northrop Frye, Maud Bodkin, Wilson Knight, dgz. Atụtụ a malitere dịwa ire n'agbata afọ 1950 na 1960. . Abrams (2005: 13) kwadoro nke a site na ime ka a mata na a bịa na nnyocha agụmagụ, okwu a bụ mgbama ọkpụ na-egosipụta usoro akụkọ, ụdịdị emereme, ụdịdị agwa, isiokwu, na nhụrụnuche nke ọtụtụ n'ime ha na-apụtakarị ihe ugboro ugboro n'ọrụ agụmagụ. Ogene (2010:35) kọwara na atụtụ a anaghị agbado ụkwụ naanị ka e si webata ọdịmara n'agụmagụ, kama, ọ na-elebanye anya na nhụrụnuche, agwa na motiif dị n'agụmagụ. Ọ gakwara n'ihu kọwapụta na ihe kachasị ndị onyocha atụtụ a mkpa bụ ịchọpụta etu nkọmịrịkọ si abata n'ọrụ agụmagụ nakwa ka ha si emetụta ndịọgụụ. O mekwara ka a mata na ndị onyocha atụtụ a kwenyere na mgbama ọkpụ so n'otu ihe kacha akwalite ike agụmagụ.

N'echiche nke ya, Guerin (1992:6) na-ekwu na onye onyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị n'ebe akụkọ ala, akụkọ okike na akụkọ ndụ chi dị iche iche dị. Ọ chọpụtakwara na ọtụtụ ndịọka na ndị nkụzi agụmagụ enwekebeghị mmasị n'atụtụ a n'agbanyeghị mkpa ọ dị, maka na o hibere isi n'otu nzuzo. Ọzọ, Dobie (2012: 62-63) kwadoro na atụtụ a na-amụ maka isiokwu, motiif, nhụrụnuche nakwa mgbama ọkpụ putakarịchara ihe ugboro ugboro na agụmagụ. Nhụrụnuche ndị a na-ezipụta otu ụdị mmetụta n'agbụrụ niile, mgbe ọbụla a kpọtụrụ ha aha. O kwenyekwara na ndị onyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị n'ebe akụkọọala, akụkọ okike na akụkọndụ chi dị iche iche dị. O kọwara nkọmịrịkọ dịka akụkọ gbasara mmalite ihe dị iche iche. Ọ sịkwa na atụtụ a nwekwara mmasị na mmalite ihe dị iche iche nakwa nkọmịrịkọ. N'ọmụmaatụ ya, Dobie kọwara na

agbụrụ ọbụla nwere odogwu, onye a na-ahụta dịka onye nzọpụta. Mgbe ọbụla a kpọrọ odogwu a, ọ na-egosipụta na o meela ihe mmadụ nkịtị agaghị emenwu. A na-amatakarị odogwu a site n'ụdịdị ọmụmụ ya, mmekpa ụmụnne ya ma ọ bu ajọ eze; nke ga-ezipụ odogwu njem ebe ebumnobi ya bụ ka osite na njem ahụ memilaa ya, dgz. Kennedy na Gioia (2010) kọwakwara na e nwere ụdịdị agwa onye onyocha atụtụ a na-achọpụtakarị, dịka ọbọọ ọbọ, onye na-enwe mmetụta ka ọ bọọbọ maka ọnwụ nna maọbụ onye ezinaụlọ ya. Ọ na-achọpụtakwa ụfọdụ ọdịmara enweghị ndụ, dịka anyanwụ, ọnwa maọbụ ihe ekere gbara elu ugboro ugboro n'agụmagụ iji nye ha mpụtara pụtara ihe. Ogene (2010: 35) zipụtakwara ụfọdụ mgbama ọkpụ e nwere n'agụmagụ dịka: (i) ụmụ nwaanyị, nke nwere ike ịpụta ezigbo nne, ajọ nne, dgz. (ii) mmiri – nke nwere ike izipụta okike, nsacha, ọmụmụ, uto, dgz.

Atụtụ a na-enyocha ọrụ agụmagụ site na ịchọpụta etu nkọmịrịkọ si abata n'ime ya. Ọ na-ezipụta nkwenye na nsirihụ ndụ ndị Igbo. Ọ na-ezipụta akụkọ gbasara okike ụwa, akụkọ odogwu/dike dgz. Ụrụ atụtụ a bara bụ na ọ na-achọpụta ụzọ dị iche iche e si ezipụta nkọmịrịkọ n'agụmagụ. Ọ na-ezipụta ma na-enyekwa ezi nkọwa gbasara mgbama ọkpụ, agwa na motiif e zipụtara n'agụmagụ. Atụtụ a dabara iji mee nchọcha a n'ihi na o zipụtara akụkọ gbasara akụkọ dike.

Nchọcha banyere ihe odee ndị ọzọ merela n'isiokwu

N'agba nke a, ọchọcha tụlere nchọcha ndị e merela n'isiokwu yitere isiokwu nchọcha a. Nke a bụ iji gosị ogo ndị nchọcha ọzọ garala na nchọcha yiri nke a ma marakwa ma ọ nwekwara mkpa ọ dị na a ga-eme nchọcha a.

Shelton (1968) mere nchọcha na akwụkwọ nke ọ kpọrọ *Problems of identification and Historicity in the oral tradition of the Igala and Northern Nsukka Igbo of Nigeria.* Ọ gbasoro usoro ntulekọrịta nchọcha nke a na-akpọ "Comparative research" na Bekee. Ọ kọwara Ọnọja Nwaobonyi dịka onye ukwuu, eze afọ jụrụ nakwa onye nwere oke ọchịchọ ime ihe ọbụla. Ebumnuche ya bụ ịmata ka omenala ndị Igala na ndị Nsukka siri yite onwe ha. Ọ gakwara n'ihu chọpụta na ndị Igala na ndị Nsukka si na otu agbụrụ na mgbe gboo pụta. Ọ chọpụtakwara na agaghị ekwu ka ala Nsukka na ala Igala siri malite ma akpọghị aha Ọnọja Nwaobonyi.

Okwoli (1973) mere nchọcha n'akwụkwọ nke ọ kpọrọ *A short History of Igala.* O ji igwe e ji ese ihe osise nke ndị bekee kpọrọ "camera" nakwa ajụjụ ọnụ were mee nchọpụta ya. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta nsiripuru ndị Igala. Ọ chọpụtara na Ọnọja Nwaobonyi si na agbụrụ ndị eze pụta. Agbụrụ ndị eze a o siri pụta bụ ndị so were mmebe ala Igala n'ụbọchị taa. Ọ gara n'ihu chọpụta na ọtụtụ obodo na asụ Igala n'ala Naijiria gụnyere: Ebu dị na Delta steeti, Nzam dị na Anambra Steeti, Ogurugu dị na Enugwu steeti, Ibaji dị na Kogi steeti nakwa na ebe ndị ọzọ dịgasị iche iche.

Chizobah (2009) mere nchọcha n'akwụkwọ nke ọ kpọrọ *Ọnọja Nwaobonyi nke Ogurugu*. Ọ gbasoro usoro ajụjụ ọnụ na nchọcha ya. Ebumuche ya bụ ịchọpụta onye Ọnọja Nwaobonyi bụ nye ndị Ogurugu. Ọ chọpụtara na Ọnọja Nwaobonyi dị ka Chukwu nye ndị Ogurugu. N'ezie nchọcha abụọ a yitere onwe ha, maka na ha abụọ n'ekwu maka Ọnọja Obonyi. Ebe ha dị iche bụ na nchọcha nke a kọwara maka ọnwụ na etu esi echeta Ọnọja Obonyi n'Ogurugu.

Nnaji (2018) mere nchọcha n'akwụkwọ nke ọ kpọrọ *The story of Onoja Oboni's Legendary: The brief history of Onoja Oboni*. Ọ gbasoro usoro nkọwasị na nkọwamị na nchọcha ya. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta ka Ọnọja Oboni siri kpaa ike mgbe ọ dị ndụ. Ọ chọpụtara na Ọnọja Nwaobonyi mere ọtụtụ ihe nye obodo dị iche iche mgbe ọ biri ndụ ya n'ụwa a. Ụfọdụ ka o nyerụrụ aka zọta oke ala, ebe ụfọdụ bụ ndị ọ napụtara n'aka ndị iro ha. Nchọcha a na nke Nnaji (2018) yitere onwe ha ma ndiiche dị n'ime ha bụ ebe Nnaji (2018) chọpụtara ka Ọnọja Obonyi sịrị kpaa ike mgbe ọ dị ndụ mana nchọcha nke a kọwara etu Ọnọja sịrị nwụọ na ncheta ya na obodo ha.

DongFang Wan, Qin Xiong, Xipeng Li and Chuqi Wu (2023) *Perceptions of Heroism: Characteristics, functions and influencing factors among Chinese college students in the post pandemic era.* Nchọcha a lebara anya na ndị dike ụmụakwụkwọ dị elu na-efe ka e mechara COVID 19. Ha jiri ajụjụ ọnụ nweta njiatule ha. Mbunobi nchọcha ha bụ ịchọpụta njirimara ndị dike nke ụmụakwụkwọ dị elu ndị China na-efe. Ha lebakwara anya na ọrụ ndị dike ahụ na-arụ nakwa inyocha ihe ụfọdụ na-emetụta ụmụakwụkwọ ife ndị dike.

Nchọcha ha gosiri na njịrịmara dike ụfọdụ gụnyere ndị a ha bụ ndị a ma ama na mba China gbaa gburugburu. Ha bụ mmadụ e buliri ogo ha elu. Ụfọdụ ọrụ ha nke ha chọpụtara bụ nchekwa, ihe nlere anya na agbamume. Ụfọdụ ihe ha chọpụtara na-emetụta ofufe ụmụakwụkwọ na-efe ha bụ ogogo agụmakwụkwọ, ọnọdụ ezinụlọ na mmepe anya.

Nchọcha a na nke e ji n'aka yiri n'ihi na ha abụọ lebara anya n'akụkọ dike mana ndịiche ha bụ na ebe nchọcha a lebara anya na nchọcha ndị dike China, nchọcha e ji n'aka lebara anya na dike n'ala Igbo bụ Ọnọja Nwa Obonyi.

Usoro Nchọcha

site na njatule e nwetara n'ajụjụ ọnụ a gbara e ji mee nchọcha, o gosiri ihe niile banyere Ọnọja Nwa Obonyi. Ha gunyere: ọmụmụ ya, ebimndụ ya, ihe o mere kpatara o jịrị buru dike nakwa ka esi eme emume ncheta ya. Anyị ga-atụle ihe anyị nwetara n'ọhịa nchọcha a, hazie ma depụta ọsịsa ndị a gbara ajụjụ ọnụ n'usoro doro anya. Anyị gosipụtara ndị a gbara ajụjụ ọnụ na nkeji mgbakwunye. A gbara mmadụ asaa ajụjụ ọnụ ndị sitere n'ogbe dị iche iche n'Ogurugu na gburugburu ya pụta.

Ngosi na ntụcha ngwa nchọcha

Ọ bụ eziokwu na ndị mmadụ ụfọdụ, ọ kachasị ndị Ogurugu hụtara Ọnọja Nwaobonyi dịka Chukwu, Ndị ọzọ na ahụ ya dịka mmụọ, mana ọmụmụ ya dịka ọmụmụ mmadụ ọbụla. Ọ bụ site na mmekọ nwoke na nwaanyị di n'etiti nna ya bụ Ọbatamu na nne ya bụ Obonyi wetara ọmụmụ ya. Ọbatamu manyere nne Ọnọja bụ Obonyi n'ike n'oké ọhịa dị n'Idah Kogi Steeti, mgbe Obonyi bịara ịkpata nkụ ha abụọ e wee nwee mmekọ nwoke na nwaanyị, dịka etu ndị niile a jụtara ajụjụ maka nchọcha a sị wee kọọ.

Ndị nile a jụtara ajụjụ na nchọcha a dị ka Nwaamdị Sunday Ibrahim, Nwakaego Esther, Ichie Obiechina, Adejoh Ojonugwa nakwa Maazị Anthony Ajodo kwekọrịtara na ọ bụ Ọbatamu bụ nna Ọnọja, ebe aha nne ya bụ Obonyi. Dịka Sunday Ibrahim (2020) siri gwa onye ọchọcha, ọ kwuru si na Ọbatamu bụ onye obodo Ogurugu, ma bụrụkwa oke dịnta a ma ama, ebe Obonyi bụ onye Idah nke dị na Kogi Steeti. O kwuru si na Ọbatamu bụ onye mbụ malitere obodo a bụ Ogurugu. Ọ bụ site na ije ụkwụ ọ na-aga dịka dịnta ọ bụ mere ka ọ gagharigide

pụta otu ebe bụ ala o lere anya ma hụtakwa na ọ ga-adị ya mma, n'ala ahụ ka ọ tụrụ obere ụlọ ebe ọ na arahụ. Dịka aha ya siri dị Ọbatamu bụ aha o nyere ebe ahụ pụtara "n'ala a batara mụ" na asụsụ Igbo. Ọbatamu bụ onye dịnta bidozie ụbọchị ahụ gawa na-esi ala ahụ apụ eje achụta nta.

Ka o rụrụ otu ụbọchị, Ọbatamu si Ogurugu gaa ala Idah na-achọgharị anụ ọ ga-egbute. Ọ hụrụ otu nwa agbọghọbịa mara mma nke ukwuu. Dịka ndị a jụtara ajụjụ ọnụ siri kọwaa ya. Obonyi bụ nwa agbọghọ mma ya na-apụ ọkụ. Onye hụrụ Obonyi mgbe ọ na-agafe ga-atụgharị ugboro ugboro. Obonyi, dịka a kọwara n'oge ahụ bụ nwa agbọghọ na-amaghị nwoke. Ka Ọbatamu hụrụ Obonyi ọ wakporo ya n'oké ọhịa ahụ, ma meekwa ka ha abụọ nwee mmekọ nwoke na nwaanyị. Mgbe nke a mechara, Ọbatamu chọpụtara na obi adịghị Obonyi mma maka ihe ahụ ha mere. Ọbatamu yọrọ ya mgbaghara, ma kasie ya obi n'ihi agwa ọjọọ ọ kpasoro ya. Ọbatamu gara n'ihu ime ya obi ụtọ site na ịgbutusị nnukwu osisi, gburusie ha ka ọ dị obere obere etu nkụ kwesịrị ịdị. O werekwara anụ dị icheiche na nnukwu eke o gburu kedo n'ahụ nkụ ahụ ma bunye ya Obonyi n'isi ka o burru lawa. Ha abụọ nọrọ ebe ahụ kwee onwe ha nkwa ka Obonyi hapụ ịgwa onye ọbụla ihe merenụ. Ọbatamu gbapụtara ọla aka ọ na-agba n'aka gbanye ya Obonyi ma gwa ya si na o nwere ka mmekọ ha abụọ nwere siri pụta ya ịdị ime, ka ọ were ya bụ ọla aka ahụ gbanye n'aka nwa ahụ ka ya were jiri ya mata na ọ bụ nwa ya ebe ọ bụla ọ hụrụ ya. Ọ gakwara n'ihu gwa Obonyi onye ebe obodo ọ bụ. Obonyi lawara, ma ka ọ na-alọta, obi dị ya ụtọ nke ukwuu maka nnukwu nkụ na ihe onyinye ndị ahụ Ọbatamu nyere ya ka o jiri ya lawa. Mgbe Obonyi lọtara be ha, ndị be ha hụrụ ihe niile o bu n'isi ụjọ wee tụwa ha, n'ihi na ha ahụbeghị nke a na mbụ. Ha jukwara ya ebe ọ si bute ihe ndị ahụ niile o bu n'isi wee lata. Obonyi agwaghị ha ihe mere kpọmkwem, katama ọ chọrọ akụkọ ụgha kọọrọ ha iji megharịa ha anya. Ọ dịghịkwa onye ọbụla mara ihe merenu.

Ọ bụ eziokwu na Obonyi adịghị onye maa maka ihe mere n'etiti ya na Ọbatamu ma nke a apụghị ịkpụchi afọ ime ịpụta. Ka oge rụrụ afọ ime ịpụta, Obonyi bidoro rịawa ahụ. Ọ teghị aka, afọ ime ya malitere gosiwe obere obere. Mgbe ndị be ha chọpụtara maka nke a, ha jụrụ ya ajụjụ iji mata onye tụbara ya ime. Obonyi ekweghị agwa ha eziokwu. Tupu amụọ Ọnọja onye nchụàjà nwegasiri ọtụtụ ihe ọ kwụrụ gbasara nwa ahụ o bu n'afọ. O gara n'ihu gwa nne ya bụ Obonyi ka ọ jikere maka ọtụtụ ihe gajere ime n'ime ndụ nwa ya. Ọ bụ na oge ahụ ka onye nchụaja

ahụ nyere ya aha ọ ga-akpọ nwa ya ma ọ mụọ ya. O mechara mụọ agadaga nwa nwoke ọ gụrụ aha ya Ọnọja, ma n'ihi na ha amaghị onye nna ya bụ, ha kpọwara ya Ọnọja Nwaobonyi. Ọnọja bụ asụsụ Igala nke pụtara "Ezeọha" nakwa onye "nzọpụta" n'asụsụ Igala.

Mgbe a mụrụ Ọnọja, a chọpụtara na o nwere ihe pụrụ iche ọ ji pụta n'ụwa. Mkpịsị aka ya na nke ụkwụ ya adịghịkwa otu nke mmadụ nkịtị si adị. Nke ya gbara isii isii. Ajị ahụ ya adịghịkwa etu nke ụmụaka ibe ya si adị. Onye lere ya anya na mkpụrụ anya ya abụọ ga-ahụ ka ọ na-eke ka ọnwa. Ọnụ e nyeghị ndị so napụta Obonyi nwa ọ mụrụ. Ka Ọnọja na-etolite na gburugburu ebe nne ya bi, ndị nne na nna ụmụaka ndị ọzọ na-abịa ewetere nne Ọnọja mkpesa maka Ọnọja. Ha na-agwa nne ya na onye ọ bụla o tiri ihe na-arịa ọrịa ọtụtụ oge tụpụ onye ahụ adị. Ọkpụkpụ aka Ọnọja adịghịkwa etu ọkpụkpụ aka ụmụaka ibe ya na-adị. N'ihi nke a, ụfọdụ dọrọ ụmụ ha aka na ntị ka ha kwụsị iso Ọnọja Nwaobonyi gwụrụ egwu. Ma ọ dị otú ihe ụfọdụ ihe Ọnọja Nwaobonyi na-eme. Ihe nke ahụ bụ na ịgaghị anwakwa anwa tie ndị enyi ya ihe, ma ọ bụ lụsa otu n'ime ha ọgụ. Ọ na-enyere ọtụtụ ndị mmadụ aka igbu anụ ụfọdụ dị iche iche.

Ka ọ rụrụ otu ụbọchị Ọnọja Nwaobonyi na onye ọ lusoburu ọgụ nwere ka ha abụọ siri hụta onwe ha n'amaghị ama, nwa ahụ hụrụ na Ọnọja Nwaobonyi menyere ya egwu n'anya na ọgụ gara aga ha lụrụ. Ọ maghị ihe ọzọ ọ ga-eme I ji bọọ ụbọ, katama isanye ọnụ kpọọ Ọnọja nwa enwe Nna. Ihe a ọ kpọrọ ya wutere ya n'obi nke ukwuu. Mgbe ọ laruru ọ chemiri echiche ime nke ọma ma chọpụta na Obonyi ya na-aza abụghị aha nna ya kama ọ bụ nke Nne ya. Ọ chere ka nne ya lọta n'ije. Mgbe nne ya lọtara, Ọnọja jekwuru nne ya bụ Obonyi si ya gwa ya onye bụ nna ya. Obonyi chere na nwa ya nwoke bụ Ọnọja bụ egwuregwu ka ọ na-egwu ma chọọ ka ọ jiri ụzọ aghụghọ saa ya. Ọnoja jiri iwe yie nne ya egwu si ya ma ọ gwaghị ya ihe o choro ịnụ na ọ ga-egbu ya. Ma mgbe nne ya hụtara na ịhụ atoghi nwa ya nwoke ọchị, ọ saghere ọnụ ya kọọrọ ya ihe niile mere nụ. Mgbe ọ kọchara akụkọ ihe niile mere bụ nke wetara ọmụmụ Ọnọja, ọ gwakwara ya na ọ bụ n'obodo a na-akpọ Ogurugu ka ọ ga - achọta nna ya bụ Ọbatamu. Ọ gakakwara n'ihu jee chipụta ọlaaka ahụ nke Ọbatamu nyere ya mgbe ha abụọ nwechara mmekọ nwoke na nwaanyị n'okeohịa dị n'Idah. Ọ gwara Ọnọja na ọlaaka ahụ ga-abụ ihe Ọbatamu ga - ejiri mata na ya bụ nwa ya nwoke ma ọ hụ ya n'aka ya. Ka Obonyi gwachara Ọnọja ihe ndị a niile, Ọnọja kpebiri n'ime obi ya na ya gaje ije chọọ nna ya bụ

Ọbatamu n'Ogurugu. O biliri gawa Ogurugu ịchọ nna ya site n'obodo Idah na Kogi ebe a mụrụ ya.

Akụkọ à bụ maka Ọmụmụ Ọnọja Nwaobonyi bụ nke Ome nchọcha nwetara na ndị niile o jụrụ ajụjụ maka nchọcha a. Ọ bụ eziokwu na ha niile kọrọ ya n'ụzọ dị iche iche ma atụlekọta ha niile, ọ bụ otú ihe ka ha niile na-akọkwa.

Ebimndụ Ọnọja Nwaobonyi n'Ogurugu

Ọnọja Nwaobonyi mechara topụta ihe e ji mmadụ eme. Ọ malitere iso nna ya eje ịchụ nta ya ndị ụfọdụ ndị ohu ya. Dịka onye m gbara ajụjụ ọnụ siri kọọ, Ichie Nnanyerugo Chukwurah (2021) si na mpaghara Atịịda kwuru ka Ọnọja Nwa Obonyi si wee bụrụ onye sịrị ike, ọ sị na ọ dị otu ụbọchị Ọbatamụ na ndị enyi ya nwoke na-akparịtaụka n'ihu obi ya. Na ọ dị ụmụaka nọ n'ime ụlọ eme mkpọtụ. Ụmụaka ahụ dịka onye ọkọọ akụkọ siri kwuo bụ ụmụnne Ọnọja. Ya bụ na Ọbatamụ lụrụ nwaanyị ọzọ bụ nke mụtara ya ụmụaka ahụ. Mkpọtụ ahụ ụmụaka ahụ na-eme ekweghị ha nụrụ ihe ha na-agwarịta onwe ha. Ọbatamụ kpọrọ nwa ya bụ Ọnọja si ya gaa mee ka ụmụnne ya ndị ahụ kwụsị ime oke mkpọtụ. Ka Ọnọja ruru ebe ahụ, o bidoro tiwe ụmụaka ahụ ihe n'otu n'otu. Ma n'ihi ụdị aka ike ọ nwere, onye ọbụla o tiri ihe na-adakwa n'ala anwụ n'ihi na aka ya dị ukwuu ma na-afụkwa oke ụfụ nke na ụmụaka ahụ edinwughị ụfụ aka ya. Ka ọ mechara nke a, o jekwara nọrọ onwe ya ebe ọnọbụ na mbụ.

Ọbatamụ na ndị ọbịa ya nọkwa na-akparịta onwe ha ụka na-amaghị ihe merenu. Ọ bụ mgbe Ọbatamụ bara n' ime ụlọ ya ije weta otu ihe ọ ga-enye ndị ọbịa ya maka na ha anọjuọla ike ha ka anya ya hụrụ ntị ya abụọ. O tiri mkpu n'olu ike nke mere ka ndị ọbịa ya nakwa Ọnọja nwa ya gbara bịa n'ebe ahụ. Mgbe ha niile ruru ebe ahụ, ọ dịghị onye onyere ọnụ okwu ikwu ihe ọbụla. Ọ bụ naanị na anya nakwa na aka ka ha nọ na-ele mana asa onwe ha. Ma mgbe nna Ọnọja nwetere onwe ya wee jụọ ya ihe mere o jiri kpaa ụdị ajọ agwa ahụ. Ọnọja saghere ọnụ ya si nna ya na ọ mere ihe ọ gwara ya jee mee na ọ maghị na ọ bụ ogbugbu ka o gburu ha niile. Mgbe o kwuchara nke a, nna ya n'oké iwe chọrọ ịgbụkwa ya onwe ya maka nsọala ahụ omere. Ọnọja Nwaobonyi gbara ọsọndụ gbagaa na Atịịda bụ ebe ọ nọrọ were na-eze isi onwe ya.

Eze na-achị mpaghara Atịịda mechara nabata ya ma were ya dịka nwa ya nwoke. Ichie Obiechina gwara onye nchọcha na Atịịda ahụ Ọnọja Nwaobonyi gbagara bụ ụfọdụ ndị si n'ebe nne Ọnọja bi bụ ndị mebere mpaghara ahụ, na ọ bụ ya mere ha jiri nabata ya mgbe ahụ. Ndị ahụ bụkwa ndị si Idah were gbata ọsọndụ n'oge agha. Ọ bụ na Atịịda ka Ọnọja mechara nọrọ wee lụta nwaanyị. Onye ọkọọ akụkọ gwara ochọcha na ebe Ọnọja Nwaobonyi na nwunye ya nọ na-asa ahụ mgbe ahụ mechara bụrụ ebe mmiri si agbapụta n'oge ugbu a. O kwukwara na o nwere nkịta Ọnọja na nwunye ya nwere mgbe ahụ, ya bụ nkịta dịkwa ire ruo taa. O kwuru na ya bụ nkịta nwere mgbe ọ ji abịa kwa afọ ọbụla. Mgbe nkịta ahụ si Ogurugu pụọ bụ mgbe amaghị dịka Ọnọja Nwaobonyi siri fuo nke ya. Ọ bụ eziokwu na omenala ndị Ogurugu jụrụ mmadụ ịzụ nkịta, ha na-asọ nkịta asọ, ma nke a egbochighị ha ịnabata nke Ọnọja Nwaobonyi.

Ihe ndị Ọnọja Nwaobonyi mere e ji echeta ya dịka dike

A maara Ọnọja Nwaobonyi nke ukwuu dịka onye agha ma bụrụkwa Odogwu nwoke. Mmadụ niile bi na Ogurugu na mgbe ochie na-erubere ya isi ma na-atụkwa ya ụjọ nke ukwuu n'ihi ụdị oke ike ọ nwere. N'uche ha, e chere na ọ gbaghị aka ma ọlị. Ọ dịghị onye pụrụ ichere ya aka mgba maọbụ nwaa ya ọnwụnwa. Ụfọdụ ihe ndị o mere gụnyere ndị a:

- Ọnọja Nwaobonyi rụrụ ndị Ogurugu nnukwu mgbidi iji chekwaba ha. n'aka ndị iro ha.
- Mgbe ọ dị ndụ, ndị obodo Ogurugu adighị ndị na-emerinwu ha n'agha n'oge gboo.
- O chere ha neche ụtụtụ, ehihie na abalị naanị ya. Ọ naghị arahụ ụra, ike adighịkwa agwụ ya ma ọlị. Ụdị ike ọ nwere na-eme ka ndị mmadụ gbapụ ọsọ mgbe ọbụla o guzoro.
- Onoja Nwaobonyi na-eme ihe mmadụ tụrụ anya na ọ gaghị emenwu dịka igbụ ụmụ anụ dị ike na-enye ndị Ogurugu nsogbu. Ọ bụkwa ọkpụkpụ aka ya abụọ ka ọ ji adọgbụ anụ ụfọdụ ndị ọ na-egbu ma tụrụ ugo lọta.
- Mgbe e nwere ụkọ mmiri n'obodo Ogurugu oge a lụrụ agha, Ọnọja mere ka e nwe mmiri ọñụñụ site na iti aka ya na mkpume ike dị ebe ahụ, nke a ka ọ mere e nwee ebe a na-echụ mmiri iyi bụ nke dịkwa ire taa.
- Ọnọja Nwaobonyi ji ndụ ya were chụọrọ ndị Ogurugu àjà ka ha wee dị ndụ. Dịka onye m gbara ajụjụ ọnụ maka nke a siri kwuo. Maazi Anthony Ajodo (2021) kwuru na o nwere ọrịa akpụkpa ahụ pụtara n'oge ahụ. Nke

na - egbuchapụ ndị mmadụ n'ike mgbe ochie. Ọ sị na ọ bụ Ọnọja kwetere sị lie ya na ndụ ka ndị ọzọ were dị ndụ. N'ihi ihe a niile Ọnọja Nwaobonyi mere ndị Obodo Ogurugu, anaghị ejikwa ya egwuru egwu ma ọlị. Nke a kpatara na e nwere ihe a na-emegasi nakwa ihe ndị arụgasịrị na aha Ọnọja Nwaobonyi. Ihe ndị ahụ gụnyere:

- Onoja Nwaobonyi kọmuniti priamarị skulu.
- Otu ọgbọ bụ nke a kpọrọ Ọnọja obonyi age grade n'asụsụ bekee.
- Otú mmonwụ bụ nke a kpọrọ Ọnọja Obonyi masquarade Group n'asụsụ bekee
- Onye ọbụla bụ igwe na-achị na obodo Ogurugu na-akwanyere Ọnọja Nwaobonyi ugwu n'aha ha na-aza. Dịka onye nke nọ ụgbụ a, aha ya bụ Igwe Emmanuel Egwuaba (Igwe Ọnọja Oboni 111,Ugo - Mela 11,Eze - Dịora - Mma 1of Ogurugu)
- Ndị nne na nna na Ogurugu na-abazị ụmụ ha Ọnọja maka na ha kwenyere na aha mmadụ na-aza na-edu ya.
- Nwatakịrị ọbụla a mụrụ nwere mkpịsị aka isii ka a na-ahụta dịka onye bịara Ọnọja Nwaobonyi ụwa. Anaghị ejikwa ha egwurị egwu. Ụfọdụ ka ha anaghị akpụ ha isi ha ruo mgbe ha jere na okwu arụsị Ọnọja dị n'etiti ahịa ndị Ogurugu wee chụọ aja.
- N'ikpeazụ, e nwere nnukwu mmemme a na-eme kwa arọ ọbụla iji cheta ya bụ Nwamadi. Ọ bụ ndị nọ na otu mmonwụ nke Ọnọja bụ ndị na-akwadobe ya.

Ọnwụ Ọnọja Nwaobonyi

Dịka onye m gbara ajụjụ ọnụ sịrị kọwaa Ichie Obiechina (2021) siri na ka Ọnọja Nwaobonyi sịrị nwụọ ọnwụ ya bụ na mgbe ọ chọpụtara maka ọrịa akpụkpọ ahụ ahụ na-egbụsisi onye ukwu na onye nta na adịghị ihe ndị obodo nwere ike ime maka ya bụ ọrịa. Dibịa afa kwuru si na ihe a ga-eme ka e wee kwụsị ọrịa ahụ bụ ikpọkọtasị mmụọ ajọ ọrịa ahụ ka ọ banye n'ime otu onye nọ na Ogurugu. Mgbe e kwuru nke a, ọ dịghị onye kwere ka ọ bụrụ ya ga-anwụchite n'ihi mmadụ ndị ọzọ. Ọ bụ Ọnọja Nwaobonyi bụ onye wepụtara onwe ya ka e were ya chụọ aja. Mgbe akpọkọsiri mmụọ ọjọọ ahụ n'ahụ ya, ahụ bidoro riawa ya. Nke bụ na o naghịkwazi emezi ihe ọbụla ma ncha. Na oke mgbu a ka ọ nọgidere ruo otu ụbọchị, ọ gara jee gwuo otu oké olulu mmiri emi nke ukwuu. Ọ dabara n'ime olulu ahụ ma nye ikikere ka ekpuchie ya. Ọ bụ etu a ka ọ siri nwụọ ka ndị Ogurugu were dị ndụ.

N'ihi ịhụnanya na mmeso agwa ọ kpara mere ndị Ogurugu ji akwanyere ya ugwu ma na-efe kwa ya ofufe dịka dike.

N'ebe ahụ Ọnọja Nwaobonyi liri onwe ya, osisi mechara puo n'ebe ahụ. Osisi ahụ dị n'etiti ahịa ndị Ogurugu wee ruo taa. O toro ogologo nke ukwu nke na ọ dịghị osisi ọbụla ka ya. Ọ naghị akpọnwụ akpọnwụ dịka ọkọọ siri kwuo. Ọ bụ na oge ọkọchị ka ọ na-amasị mana amịpụta mkpụrụ osisi n'uju. Mgbe ndị ụka bịara, ha kwuru ka e gbutue ya bụ osisi ma ndị mpaghara Atịịda ebe Ọnọja Nwaobonyi gbagara osondu juwara isi. Ọ bụ ya mere na ịbịa na Ogurugu na onye ọ bụla nwere mmasị n'ebe okpukpere chi nọ. Ụfọdụ bụ osisi ahụ ka ha ka na-efe ofufe ebe ụfọdụ bụ Chukwu ka ha were ndụ ha nye.

Emume ncheta Ọnọja Nwaobonyi n'Ogurugu

Emume ncheta Ọnọja Nwaobonyi abụghị obere emume nye ndị Ogurugu. Ọ dịghị emume e ji atunyere ya na obodo Ogurugu. Mgbe e ji eme emume a bụ na onwa nke atọ afọ ọbụla. Ọ nweghị deeti maọbụ ụbọchị e wepụtara kpọmkwem e ji eme ya, kama ka omenaala ndị Ogurugu si dị a na-eme ya n'ọnwa atọ kwa afọ ọbụla.

Tụpụ ụbọchị ahụ eruo, a na-ama ọkwa ọtụtụ oge ka ndị mmadụ were bụrụ ya n'uche. Ọ bụ na mpaghara ọbụla ka onye na-ama ọkwa ga-eje ma ọkwa maka ya bụ emume. Mpaghara ọbụla nwere ụtụ nke a na-atụ. Ụtụ ndị ahụ gụnyere ego, ọjị, mmanya, ewu ndụ, ihe oriri w.d.g. Naanị ndị Ọbatamu na Atịịda bụ ebe nna Ọnọja si nakwa n'ebe ọ gbagara ọsọndụ bụ ndị iwu ejighị ịtụ ihe ọbụla beluso ma ha achọrọ ime ya n'onwe ha. Mpaghara ndị ga-atụ ihe gụnyere: Achanya, Ukpale, Ọkpọtọkpụ, Ofuloko, Ofuegbe, Ukwaja na Edeejo. N'ụbọchị emume ncheta Ọnọja Nwaobonyi kpọmkwem, a na-egbu nnukwu ehi nke a na-eke were nye mpaghara dịgasị iche iche na obodo Ogurugu. Ọ bụ ndị Ọbatamu bụ ndị na-ebu ụzọ ewe ihe n'ụbọchị ahụ, ọ gachaa ha ndị Atịịda esoro ha tụpụ ndị mpaghara ọzọ ewere nke ha. Mgbe nke a mechara a ga-eje chụọ aja na mpaghara Atịịda ebe e nwere arụsị Ọnọja Nwaobonyi.

N'ụbọchị ahụ, a na-esi ihe oriri dị iche iche dịka: ụtara ji, ụtara akpụ, osikapa, abacha, ji nsara e ji azụ ndụ mara abụba were chọọ mma na kwa ofe akwọrọ aka sie. Ụbọchị ahụ na-abụ ụbọchị ọñụ pụrụ iche, ụbọchị e ji efe arụsị Ọnọja Nwaobonyi. Mpaghara ọbụla ga-apụta gbaa egwu ha. Ụmụafo Ogurugu nakwa

ọtụtụ obodo dịdebere ha nso na-abịacha esoro ha ñụrịa ọñụ. Emume Ọnọja Nwaobonyi ka dịkwa ire ruo taa. Ndị obodo Ogurugu kwenyere na ya bụ emume na-ewetere ha ịhụnanya na ịdịnootu ebe ndị otu Kristi ekwenyeghị na emume a maka ha hụtara ya dịka ihe abaghị ha Ụrụ ọbụla maka aja nakwa ọtụtụ ihe nzuzo dịgasị n'ime ya. Dịka onye m gbara ajụjụ ọnụ sị kọwaa, ichie Benjamin Okonkwo (2021) kọwara Ụrụ ha na-erite na ya bụ emume nke gụnyere:

- Inyere ndị enweghi ka ọra ha aka.
- Icheta ndị megoro okenye nke ukwuu na mpaghara ọbụla ma nyekwa ha ihe onyinye.
- Eze na-achị mpaghara ọbụla nwekwara ihe onyinye nke ha.
- A na-echi echichi dịgasị iche iche ụbọchị ahụ.
- O kwukwara na e ji ụbọchị ahụ etinye ọnụ na ihe gbasara mmepe na agamniihu maka obodo Ogurugu.
- Ụfọdụ na eji ụbọchị ahụ achọta dị nakwa nwunye ha ga-alụ.

N'ezie ọ bụrụ na emume ncheta a na-eweta ihe ndịa onye ọgba ajụjụ ọnụ kwuru echeghị na ọ dị njọ dịka etu ndị mmadụ si ahụta ya taa karịsịa ndị otu Kraịst. Nke ọzọ bụrụkwa na ọ ga-eme ka omenaala ndị Ogurugu ghara ịnwụ anwụ.

Nchịkọta

N' ederede a, e jiri isiokwu ya mee ka ọ doo anya na dike Ọnọja Nwaobonyi bụ dike a kpọrọ ya n'ezie. Anyị hụkwara n'ederede a ka akụkọ Ọnọja Nwaobonyi siri daaba dịka nkọkịrịkọ dike, site na ihe ndị o megasiri.

Na mbụ Ọnọja Nwaobonyi bụ ezigbo dike a mara amara, n' ihi ike dị egwu nke ọ kpara nke na ọ bụ anụ ana-agba egbe, ọ na-akpa nri. Ọ bụ onye a mụrụ ka e si amụ mmadụ mana ụdịdị ya pụrụ iche na nke mmadụ nkịtị. N'oge nwata Ọnọja Nwaobonyi, ọ pụrụ iche n'ebe ụmụaka ndị ọzọ nọ. Ọ naghị kwa asọ maọbụ atụ mmadụ egwu.N'Okorobịa ya, mgbe ọ chọpụtara maka onwe ya, ọ kpawara ọtụtụ ike dị egwu dịka: ịrụru ndị Ogurugu nnukwu mgbidi iji chekwaba ha n'aka ndị iro n'oge agha. O nyekwara ha aka zọpụtara ha ụfọdụ ala ebe ha bi ụgbụ a nke ndị obodo ọzọ chọrọ ịnara ha. Ọ lụụrụ ndị Ogurugu ọgụ dịgasị iche iche. , Ọ gakwara n'ihu wetara ha mmiri ọñụñụ. Na ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

Ọnọja Nwaobonyi nwụrụ anwụ mana ọ ọ nwụghị ọnwụ ihe mberede okporo ụzọ nke ọ ji e nwee onye gburu ya. Kama ọ nwụrụ ọnwụ chi ya site na iji aka ya gwuo ili ya ma nye ikikere ka ndị na-eso ya n'azụ kpuchie ya. N'ebe Ọnọja liri onwe ya, onwere osisi nke jiri aka ya puo n'ili ya nke dịkwa ire ruo ụbọchị taa. Akụkọ nkọkịrịkọ Ọnọja abaala ọtụtụ Ụrụ na tụmadị nke bụzi ihe e ji eme agụmagụ ọnụ n'ụbọchị taa n'ụlọakwụkwọ nke nta nakwa nke ukwuu.

Odee na nchọcha ya chọpụtara maka ọmụmụ na ebimndụ Ọnọja Nwaobonyi; ya bụ ka e siri mmụọ ya a mụrụ ya ka e si amụ mmadụ nkịtị mana ụdịdị ya dịka ọkara mmadụ ọkara mmụọ. Ọ kọwara maka ndị bụ nne na nna ya nakwa ka o siri bie ndụ site na mgbe ọ dị na nwata ruo oge ọnwụ ya. Ọ chọpụtakwara ihe ndị ahụ niile o mere na Ogurugu bụ obodo nna ya mere e jiri echeta ya dịka dike. Ọ mere nke a site na ịlụrụ ha agha, inyere ha aka zọtakwa ala, igwuru ha nnukwu mgbidi maka nchekwa n'aka ndị iro ha, ime ka ha nwee mmiri ọñụñụ, igbu anụ ọjọọ ụfọdụ na-emekpa ha ahụ. Odee chọpụtakwara etu Ọnọja Nwaobonyi siri nwụọ; ya bụ na ikpeazụ na ọ bụ ya jiri aka ya gwuo ili ya ma nye ndị na-eso ụzọ ya iwu ka ha kpuchie ya aja. Ọ chọpụtakwara na dịka dike a kpọrọ Ọnọja Nwaobonyi na obodo Ogurugu, na e nwere emume ncheta a na-eme iji kwanyere ya ugwu. Emume a ka odee chọpụtara na ọ bụ n'ọnwa atọ kwa afọ ọ bụla ka e ji eme ya. Atụtụ nkọmịrịkọ dabara i ji mee nchọcha dịka Dobie (2012) sịrị kọwa n'ọmụmatụ ya, na agbụrụ ọbụla nwere odogwu, onye a na-ahụta dịka onye nzọpụta. Mgbe ọbụla a kpọrọ odogwu a, ọ na egosipụta na o meela ihe mmadụ nkịtị agaghị emenwu. Ihe nke a pụtara ihe na nchọpụta e mere banyere Ọnọja Nwa Obonyi, onye nwere mkpụrụ aka na mkpuru ukwu gafere nke mmadụ nkịtị, ike dị ya n'ahụ dị iche ka nke mmadụ nkiti nke mere o jiri kpa ike dịka dike site na ị lụrụ ha ọgụ, ịgwu mgbidi ka o chedo ndị Ogurugu na ihe ndị ọzọ.

Mmechi

N'ikpeazụ, ezi mkpụrụ nke Ọnọja Nwaobonyi tọrọ tupu ọ nwụọ enyekwala aka n'agụmakwụkwọ nke na-ejikwazi ya eme ihe omume, ihe ọmụmụ na isiokwu nchọcha. Nke a bụ etu m siri huu nchịkọta ederede m. Ya bu; ndụ dike na obodo ọbụla bụ nke onye ọbụla kwesịrị ilebara anya maka inyeaka na nkwalite obibi ndụ ọma n'obodo maọbụ na ndụ ndị ọzọ. Ọzokwa, mmadụ nwere ike isi n'akụkọ Ọnọja Nwaobonyi maka ndị ga-eme nchọcha na ọdịịnihu were nweta akụkọ arọmarọ ọzọ n'ụdị iduuazị, abụ maọbụ kwanụ ejije. Ya bụ; n'ụdị akụkọ a, adịghị

mma ileghara anya n'ihi na ọ zuru okè n'ụdị akụkọ nkọkịrịkọ a kpọrọ akụkọ ndị dike.

Ntụnye arọ

N'uche onye nchọcha, maka na-asị na uche onye adịghị ya njọ, echekwara m na ndụ Ọnọja Nwaobonyi kwesiri ka ọ bụrụ ihe ndị mmadụ ga-eñomiri. Ọ bụ maka oke ịhụnanya ọ nwere n'ebe ndị ya nọ ka o ji were ndụ ya ka ha wee dịrị ndụ. Ọ nwere ịhụnanya ka nke a? N' otu aka ahụkwa, echeghị m n'emume ncheta ya bụ ihe ezighị ezi ka ndị ụka si eche n'ụbọchị taa. Ndị a jụrụ ajụjụ na nchọcha a, kwụrụ na ọ na-eweta oke ọñụ, ịhụnanya, ịdịnotu na inyere mmadụ aka n'etiti ndị Ogurugu niile.

Edemsibịa

Abrams, M. H. (2005). *A Glossary of Literary Terms*, Boston: Thomos Wadsworth.

Afigbo, A. (1981). *Ropes of sand: Studies in Igbo History and Culture.* Nsukka: University Press.

Chizoba, E (2009). *Ọnọja Nwaobonyi nke Ogwurugwu.* Arụmarụ N. C. E. Ngalaba Asụsụ na omenala Igbo, ụlọakwụkwọ ụkwụ ọzụzụ Ndinkụzi Adeniran Ogunsanya, Ottọ/Ijanikin Lagos.

Dobie, A. B (2012). *Theory into Pratice: An Introduction to Literary Criticism,* USA: Wadsworth Cengage Learning.

Dudes, A. (1965). *The Study of Folklore.* California: Prince town Hall. Inc.

Ibrahim. S (2001). *History of Ogurugu*, (2nd éd). Abuja: Chinweoda Concept.

Kennedy, X. J. & Gioia, D. (2010). *Literature, and Introduction to Fiction, Poetry, Drama and Writing,* nke e nwetara na https://www.princeton.edu/m.....mbutu; ụbọchị 11/02/2014.

Lenin, V. I. (1976). *Karl Marx: A brief biographical Sketch with an exposition of Marxism*. Peking: Foreign Language Series.

Mbah, B. M. &, E. E. (2017). *Marxism in Literary criticism.* Na B. M. Mbah (Ed.) *Theories of contextual linguistics:* Articles in Honour of Professor Gabriella Ihuaraụugo Nwaozuzu (pp. 269-275). Awka: Amaka Dreams Ltd.

Nnaji, Ọ. (2018). *The story of Onoja Oboni's Legendary: The brief history of Onoja Oboni.* Extracted from the oral text, Onoja Epic.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ Nigeria*: Ifunanya Publishers.

Obiechina, Ẹ. M. (2020). *The Need for the Ogurugu Narrative in the Quest for the Historical Onoja Obonyi*. Nke enwetara na

http://www.ogurugu.blogspot.com/2020/07/the-quest-for-historical-onoja-obonyi.html. Mbutu 24/02/2022.

Ogene, M.S. (2010). *Literary Appreciation,* Enugu: Nolix Educational Pulications.

Okakachi. Com (2011). *The bond between the Igala and Igbo ethnic nationalities of Nigeria - some historical facts.* Nke enwetara na http://Ọkakachi. 994507.n3.nabble.com/THE-BOND-BETWEEN-THE-IGALA-AND-IGBO-ETHNIC-NATIONALITIES-OF-NIGERIA-SOME HISTORICAL - FACTS - Ed3208192. html.

Okebalama, C. (2003). *Mkpolite Agụmagụ Ọnụ Igbo;* Enugu: Snap Press Limited.

Parrinder, G. (1968). *African Traditional Religion*, London: Sheldon Press.

Shelton, A. J. (1968). Onojo Ogboni: Problems of Identification and Historicity in the Oral Traditions of the Igala and Northern Nsukka Igbo of Nigeria. *Journal of American Folklore vol…,* 243-257.

Guerin, W.L. (1992). *A handbook of critical approach to literature* 3 (ed) Oxford University press.

Arnott (2016). African myths and legends Kathlun.

DongFang Wan, Qin Xiong, Xipeng Li and Chuqi Wu (2003) Perceptions of Heroism: Characteristics, functions and influencing factors among Chinese college students in the post pandemic era. Ontario: Redfame publishing.

Mgbakwunye

Ngụ	Ndị a gbara ajụjụ ọnụ	Obodo	Afọ	Aka ọrụ	Ụbọchị
1.	Sunday Ibrahim	Atiida Ogurugu	58	Onye isi ụlọ akwụkwọ	03-03-2020
2.	Adejoh Ojonugwa	Atiida Ogurugu	45	Ịzụ ahịa	03-04-2021
3.	Nnanyelugo Chukwurah	Ofuloko Ogurugu	70	Ọrụ ugbo	10-04-2021
4.	Moses Obiechina	Nsụka	35	Ọrụ ugbo	12-04-2021
5.	Anthony Ajodo	Adani	65	Ọrụ ugbo	21-04-2021
6.	Nwakaego Esther	Achanya Ogurugu	75	Ọrụ ugbo	15-12-2021
7.	Okonkwo Benjamin	Nsụka	63	Ọrụ ezumike nkuzi	20-12-2021